# NGANUSORO DỊ KA ỌCHỊKWA NA NHỌRỌ NGWAA NA MMEJU

Ilechukwu, Daniel Ihunanya
NgalabaAmụmamụ Igbo, Afrịka na Nzikọrịtaozi
MahadumNnamdị Azikiwe, Ọka
e-mail:di.ilechukwu@unizik.edu.ng
Phone: 08030886180

## Ụmị Ederede

Asụsụ ọ bụla nwere usoro na iwu ọ na-agbaso na mmebe mkpụrụokwu na usorookwu. Igbo nwere iwu na-achịkwa ngakọrịta mkpụrụ ụda na ibe ya, ngakọrita mkpụrụ okwu na ibe ya, ngakọrịta usoro okwu na ibe ya, d.g. Ọ bụ iwu ndị ahụ na-achịkwa ngakọrịta ngwaa na mmeju ka e nyochara n'ọrụ a kpọmkwem. Nsogbu kpaliri nchọcha a bụ na ndị na-asụ Igbo na-agwakọrịta Igbo izugbe na olu ndị na ndokọ ngwaa na mmeju. Mbunuche izugbe nchọcha a bụ ịhazi etu ngwaa na okwu ga-emeju ya kwesịrị isi gakọ dị ka o si metụta Igbo izugbe na olundị. Atụtụ a gbasoro mee nchọcha a bụ atụtu ndokọ mkpụrụokwu nke De saussre (1916). A kọwara ihe bụ nganusoro na njirimara ya. E zipụtakwara etu nganusoro si apụta ihe n'asụsụ Igbo. A chọpụtara n'ikpe azụ na ndokọ okwu bụ ebe nhibe isi ụtọ asụsụ ebe ngalaba echiche okwu na-adabere na ya iji nwee nghọta zuru oke. A na-atụ aro na ndị ga-eme nchọcha na nganusoro n'ọdịnihu ga-emetụ aka na nganusoro metụtara mkpọaha, ngwaa na mmeju

## Ndubanye

Asụsụ bụ ụda a haziri ahazi nwere nghọta. Ọ na-apụta ihe na mmekọrịta mmadụ na ibe ya. Asụsụ ọ bụla nwere iwu na-achịkwa ya. Iwu ndị ahụ bụ ụtọ asụsụ ya. Mgbe asụsụ ọ bụla gara n'usoro kwesịrị ụtọ asụsụ ya, ihe a na-akpọ ọnọdụ ahụ bụ nganusoro. Mgbe ọ bụla e leghaara iwu ụtọasụsụ anya, ihe a na-akpọ nke a bụ mmejọ. Mmejọ n'aka nke ya bụ mkpụrụokwu ndị ọka mmụta ji akọwa mkpụrụokwu ma ọ bụ usorookwu agbasoghị iwu ụtọasụsụ.

Ihe bụ mma asụsụ ọ bụla bụ ụtọasụsụ nke asụsụ ahụ. Etu e si hazidebe ụtọasụsụ so n'otu ihe e ji ama asụsụ bụ ọka ibe n'ụwa gburu gburu. E nweela asụsụ ndị torugoro n'ogogo nke na iwu ụtọasụsụ ha eguzosiela ike dị ka asụsụ Bekee, French, Jaman, d.g. Ndị nwe asụsụ ndị a menwuru nke a site n'ọtụtụ nchọcha ha mere banyere nganusoro asụsụ ha ma zipụta ya n'ederede n'ụdị dị iche iche. Ndị ọka n'ọmụmụ asụsụ Igbo ka na-agbasi mbọ ike ịhụ na asụsụ Igbo ruru ogogo asụsụ ndị a a na-ekwu maka ha. N'ihi nke a, o kwesịrị na a ga-agbasi mbọ ike na-edepụta site n'usoro nkọwasị iwu na-achịkwa nganusoro asụsụ Igbo. Nke a ga-enyekwuru ndị na-amụ asụsụ Igbo dị ka asụsụ nke abụọ aka ịghọta ya nke ọma. N'ihi na agaghị enwe ike imetụ iwu niile banyere nganusoro aka n'otu nchọcha a n'otu oge,a họọrọ naanị iwu ndị metụtara *nganusoro* ndokọokwu. E lebara anya na agwa nganusoro dị ka o si metụta ngakọrịta ngwaa na mmeju.

Nganusoro bụ okwu gbara ọkpụrụkpụ nchọcha a gbadoro ụkwụ na ya, mana o nweghị oge ọ bụla a ga-asị doro anya amụmamụ nganusoro a malitere kpọmkwem. E nweghịkwu onye doro anya a kpọrọ aha na ọ bụ ya bụ onye mbụ malitere amụmamụ nganusoro n'ụwa niile.

Gbasara ihe nganusoro bụ, dị ka ndị ọka mmụta ụfọdụ si kọwa, ha ekwuola na nganusoro nke a na-akpọkwa *ngakọrịta* bụ mmekọrịta dị n'etiti okwu na ibe ya n'usorookwu. Ụfọdụ ndị ọka mmụta kpọrọ nganusoro *nkwekọrịta.* A bịa n'ebe mmadụ abụọ ma ọ bụ karịa nọ, okwu ahụ bụ *nganusoro* pụtara nkwekọrịta ime otu ihe ma ọ bụ nke ọzọ. Mana n'amụmamụ asụsụ, ọ pụtara nkwekọrịta e nwere n'akụkụ abụọ nke otu ahịrịokwu nke dị ka iwu ụtọasụsụ ahụ si dị. N'ụfọdụ akwụkwọ ụtọasụsụ dị ka Yule (1996), Welmers (1970), Watanebe (2004) na Viberg (1999), e mere ka a mata na nganusoro pụtara na isiahịri, ngwaa na okwu ndị ọzọ mebere usorookwu ga-enwerịrị nkwekọrịta. Ya bụ, ọ bụrụ na ngwaa bụrụ Igbo izugbe, mmeju bụkwa Igbo izugbe ka ya na ya ga-agakọrịtanwu. Na nghọta ọtụtụ ndị, ihe bụ nganusoro bụ ịhụ na e nweghị nnupụ isi n'iwu ngakọrịta usoro okwu. Austine (1962) na Atụenyi (2009) mere ka a mata n'echiche nke ha na nganusoro bụ okwu mere ka o ghere anya oghe na ahịrịokwu ọ bụla agbasoghị iwu ngakọrịta dị n'etiti isiahịrị, pesin, jenda na ngwaa enweghị isi ma ncha. Na nkọwa e nyere n'asụsụ Frẹ nch banyere nganusoro, a chọpụtara na nganusoro bụ mgbe e nwere ịga n'usoro nke kwesịrị ịdị n'etiti mkpọaha, nnọchi aha, nkọwa na ngwaa dị n'ahịrịokwu.Ahịrịokwu ọ bụla nke agbasoghị iwu a anaghị aga n'ezi usoro.

E wezuga nkọwa ndị a dị n'elu, e nweela ọtụtụ ndị ọka mmụta mere nchọcha na nganusoro mana nke kara pụta ihe bụ nke e mere n'isiokwu a kpọrọ '*Broken Agreement: Cognitive Psychology*' na Bekee. E ji atụtụ ncheke mee nchọcha a. Etu e si malite amụmamụ nganusoro na nke a bụ na e nyere ndị njiri mee nchọcha *mmalite ahịrịokwu* ma sị ha mejuo ya. Ọmụma atụ mmalite ahịrịokwu e nyere na Bekee ka ndị njiri mee nchọcha mejuo bụ *'The key to the cabinet.'* A chọrọ ka a mata ma mmeju ahịrịokwu *ndị njiri mee nchọcha* ga-enye, ha ga-adaba nke ọma n'usoro ụtọasụsụ Bekee. Otu ọmụma atụ ndị njiri mee nchọcha a nyere bụ nke a, *'The key to the cabinets were missing.'* A gaghị agwa onye Bekee na e nweghị ezigbo nganusoro na mmalite ahịrịokwu ahụ na mmeju e nyere n'ihi na *'key'* bụ mkpọolu ebe ngwaa bụ '*were*' bụ ụbara. O kwesịrị ịbụ, *'The key to the cabinets is missing.'*(Hụ Bock na Miller, 1991). Nchọpụta Bock na Miller gosiri na mmejọ na-adịkarị n'ebe ọ metụtara mkpọaha na ngwaa dị n'ahịrịokwu dị ka ọ dị n'ahịrịokwu e ji maa atụ n'elu.

E deela ihe gbasara nganusoro n'asụsụ Griik n'isiokwu a kpọrọ *Negative Concord.* Otu ihe a rụtụrụ aka na ya bụ na nganusoro njụ kwesịrị inye ohere ka usoro ya bụrụ otu ihe n'asụsụ niile dị n'ụwa. O nwebeghị nkwekọrịta ọ bụla e nwere n'arụmaka nchọcha a n'ihi na asụsụ niile dị n'ụwa abụghị otu. Ọ bụ ya kpatara na nchọcha gbasara arụmaka a ka na-aga n'ihu. (Hụ Ginnakidou1997). Nchọcha Ginnakidou gbadoro ọkpa naanị na nganusoro njụ n'asụsụ Griik mana o nweghi etu o si metụ aka n'agwa nganusoro iji mata ma arụmaka ya ọ ga-adaba n'asụsụ ndị ọzọ e nwere.

Na nchọcha ọzọ e merela gbasara nganusoro n'asụsụ *West Flemish* n'isiokwu a kpọrọ *Negative Concord and Multiple Agreement: A Case Study of West Flemish*,arụmaka pụtara ihe na ya bụ na a chọrọ ka ndị nka asụsụ nabata iji atụtụ *'mpeka'* na-enyocha nganusoro njụ n'asụsụ 'West Flemish' nakwa asụsụ ndị ọzọ. Lee anya na (Haegemen& Lohndal, 2010). E nwebeghị mkpebi gbasara nke a.

Nchọcha ọzọ e merela na nganusoro bụ nke a kpọrọ isiokwu ya *The Syntax of Agreement and Concord* n'asụsụ Bekee. Arụmaka nchọcha a bụ na ngakọrịta isiahịrị na ngwaa a na-enwe n'asụsụ Bekee kwesịrị ka e setịpụkwuo ya ka ọ metụta nkọwa, mkpọaha na nkwuwa. O teelarị e ji nwee mkpebi na nke a kwere omume n'asụsụ Bekee n'agbanyeghị na o nwere ike nwee asụsụ ndị ọzọ anabataghị ya. Gụọ Baker (2008). Nchọcha nke a sekere nkejiasụsụ niile ndị na-agakọ dị ka o si metụta nganusoro.

Nchọcha ọzọ e merela gbasara nganusoro bụ n'asụsụ Bekee ochie n'isiokwu a kpọrọ *Concord in the Grammar of Old English.* N'ebe a, e ji ngakọrịta a na-enwe n'isiahịrị na ngwaa Bekee ọhụrụ, tụlee ndị nke ochie. Nchọcha a gosiri na o nweghị ihe dị iche na nganusoro nke Bekee ochie na nke Bekee ọhụrụ ebe ha kabụ otu asụsụ ahụ. Lee anya na Biber (1999).

Ọ bụrụ na e nyochaa nchọcha ndị odee a dị n'elu, a ga-achọpụta na ndị ọka mmụta ewepụtala oge mee nchọcha na nganusoro n'asụsụ Bekee na ndị ọzọ. Mana naanị otu ihe pụtara ihe nke ọma na nke Igbo bụ nke e mere n'isiokwu akpọrọ '*Ungrammaticalities in Igbo,*'ya bụ, ndịpụ n'usoro a na-enwe n'ụtọasụsụ Igbo. Nchọcha Udemmadụ metụrụ aka na mmejọ ndị a na-enwe n'ụtọasụsụ Igbo n'ebe ọ metụtara kwunkwukwa, inye ihe ndị enweghị ndụ ọnọdụ ihe nwere ndụ, e tinyezighị ụbara, d.g., mana Udemmadụ atụpụtaghị iwu ụtọasụsụ nye nganusoro. Udemmadụ nyere ndezi ahịrịokwu niile ndị e ji maa atụ e nwere mmejọ na ha, mana o jighị atụtụ ọbụla mee nchọcha ya. Hụ Udemmadụ (2012).

Site n'inyocha ngalaba ndị ahụ ndị buru ụzọ mee nchọcha na nganusoro emetụghị aka n'elu, a ga-asị na edemede nchọcha a bụ nke ọhụrụ wee nye onye ọ bụla ga-agụ ya. N'ịchịkọta ihe kpatara na e mebeghị ihe e mere n'ọrụ a mbụ, a ga-atụlekọrịta ọrụ a na ndị e nyochara n'elu. Nchọpụta Bock na Miller (1991) dị iche na mbunuche edemede a n'ihi na ha abụọ rụtụrụ aka na nganusoro hibere isi na ngakọrịta metụtara mkpọ aha na ngwaa naanị mana nchọcha nke a setịpụkwuru aka na nganusoro metụtara nnọchi aha na ngwaa. Nchọcha nke a dịwaga iche maka na e ji atụtụ ụtọ asụsụ mgbanwe wee nyochaa nganusoro dị ka o si metụta ngakọrịta n'etiti isi ahịrị na nnara na isi ahịrị na ngwaa.

Biber (1999) ji atụtụ ntụlekọrịta wee nyochaa nganusoro ebe ederede nke a ji atụtụ ngwakọrịta nyochaa otu nganusoro ahụ. Biber (1999) enyochaghị ụdịdị nganusoro mana e nyochara ụdịdị nganusoro n'ederede nke a. Edemede a chọpụtara agwa nganusoro n'Igbo, nyochapụta ụdịdị nganusoro, gosipụta nkeji asụsụ na-agakọ ma tụpụta iwu ụda olu nye nganusoro. Ọ bụ ihe ndị a a kọwapụtara n'elu mere ederede a ji dị iche ma bụrụ nke ọhụrụ.

**Atụtụ Njirimee Nchọcha**

N'ebe a, e tinyere atụtụ ndokọ okwu nke Ferdinand de Saussure n'ọrụ iji sekee ngwaa na mmeju ndị si n'olu ndị na Igbo izugbe iji hụ na e nweghị mgbagha na nkejiokwu ndị ha mebere. A kpọrọ aha nkejiasụsụ okwu ọ bụla mebere nkejiokwu nke ọ bụla bụ, dị ka atụtụ ndokọ si mazi, ma jiri eserese atụtụ ndokọ nke a họọrọ sekee data. Agwa nganusoro ebe a bụ na ngwaa okwu Igbo izugbe na-ahọrọ mmeju sitere n'okwu Igbo izugbe. Ya bụ na ngwaa okwu Igbo izugbe na mmeju mkpụrụ okwu sitere n'olu ndị anaghị agakọ. Nnupu isi n'iwu a ga-eme ka nkebiokwu nwee mmejọ.


**Nseke Data**

1. (a) ṅụọ mmili 1` `` ````

(b) laa mmiri

Ihe a na-ekwu maka ya na 1a na 1b bụ onye akpịrị na-akpọ nkụ ikuru mmiri ṅụọ. E lee anya na 1a n'elu, a ga-achọpụta na 'ṅụọ' bụ ngwaa ma bụrụ Igbo izugbe. Ihe mere ya Igbo izugbe bụ mkpụrụ ụda 'ṅ.' 'Laa' bụ ngwaa ma bụrụ olu Ọnịcha maọbụ Ọka. Ihe mere ya olu ndị bụ mkpụrụ ụda 'l.' N'aka nke ọzọ, 'mmiri' bụ mkpọaha ma bụrụ Igbo izugbe. Ihe mere ya Igbo izugbe bụ mkpụrụ ụda 'r.' 'Mmili' bụ olu ndị Ọnịcha. Mkpụrụ ụda mere ya olu ndị bụ 'l.' E nyochaa 48a na 48b dị n'elu, a ga-ahụ na o nweghị nke e nwere ezigbo mmebe nkeji na ha maka na e nwere ngwakọrịta olu ndị na Igbo izugbe na nke ọ bụla. Iji mee ka ha gazie, ezigbo ndokọ kwesịrị ka e nwee ebe ndị ahụ bụ 'ṅụọ mmiri' ma ọ bụ 'laa mmili.' Etu a ka o kwesịrị ịdị n'eserese nkịtị dị ka atụtụ ndokọ okwu si dị:

Eserese 1




2. (a) rie nli


(b) lie nri

Ihe a na-ekwu maka ya na 2a na *b* bụ onye agụụ na-agụ iwere nri rie. E lee anya na 2, a ga-achọpụta na 'rie' bụ ngwaa ma bụrụ Igbo izugbe. Ihe mere ya Igbo izugbe bụ mkpụrụ ụda 'r.' 'Lie' bụ ngwaa ma bụrụ olu ndị. Mkpụrụ ụda mere ya olu ndị bụ 'L.'

N’aka nke ọzọ, ‘nri’ bụ mkpọ aha ma bụrụ Igbo izugbe. Mkpụrụ ụda mere ya Igbo izugbe bụ ‘r.’ Ebe ‘nli’ bụ olu ndị, mkpụrụ ụda mere ya olu ndị bụ ‘L.’ E nyochaa 2a na 2b dị n’elu, a ga-ahụ na o nweghị nke e nwere ezigbo mmebe nkeji na ha maka na e nwere ngwakọrịta olu ndị na Igbo izugbe na nke ọ bụla. Iji mee ka ha gazie, ezigbo ndokọ kwesịrị ka e nwee ebe ndị ahụ bụ ‘rie nri’ ma ọ bụ ‘lie nli.’ Etu a ka o kwesịrị ịdị n’eserese nkịtị dị ka ọ dị n’atụtụ ndokọ okwu:

Eserese 2

NNgw





Eserese 3

3(a) fụọ ebe a

(b) pụọ ìbène

Usoro okwu dị na 3 bụ ntimiwu. N’ọmụma atụ 3a, ‘fụ̀ọ’ bụ ngwaa ma bụrụ olu ndị. Mkpụrụ ụda mere ya olu ndị bụ ‘f.’ ‘Ebe a’ nwere mkpụrụokwu abụọ, ya bụ, ‘ebe’ nke bụ mkpọaha ma bụrụ Igbo izugbe na ‘a’ nke bụ nrụaka ma bụrụ Igbo izugbe. 3b nwere ‘pụọ’ nke bụ ngwaa ntimiwu ma bụrụ Igbo izugbe. Mkpụrụ ụda mere ya Igbo izugbe bụ ‘p.’ ‘Ibene’ bụ olu ndị ndị M̀kpologwū dị n’Agụata. 3a adabaghị n’ihi na e nwere ngwakọrịta olu ndị na Igbo izugbe; 3b adabakwughị n’ihi na e nwere nwakọrịta olu ndị na Igbo izugbe. Iji mee ka usoro okwu ndị ahụ daba nke ọma, ihe a ga-enwe bụ ‘pụọ ebe a’ ma ọ bụ ‘fụọ ibene.’ Lee eserese gosiri nganusoro na 4 dị n’okpuru dị ka ọ dị n’atụtụ ndokọ okwu.

Eserese 4





4. (a) si nga a

(b) shi ebe a

Nkebi ahịrị 4 dị n'elu bụ ntimiwu igosi mmadụ ụzọ ọ ga-esi gaa. N'ọmụma atụ 4 a n'elu, usoro okwu e nwere na ya nwere mkpụrụokwu atọ mebere ya. Nke mbụ bụ 'si' nke bụ ngwaa sitere n'Igbo izugbe. Mkpụrụụda mere ya Igbo izugbe bụ 's.' Nke abụọ bụ 'nga' nke bụ mkpọaha sitere n'olu ndị, ebe nke atọ bụ 'a' bụ nrụaka ma bụrụ okwu Igbo izugbe. A bịa na 4b, e nwere mkpụrụ okwu atọ mebere usoro okwu ahụ. Nke mbụ bụ 'shi' nke bụ ngwaa sitere n'olu ndị. Mkpụrụ ụda mere ya olu ndị bụ 'sh.' Nke abụọ bụ 'ebe' nke bụ mkpọ aha sitere n'Igbo izugbe, ebe nke atọ bụ 'a' bụ nrụ aka nke sitere n'Igbo izugbe. E nwere ngwakọrịta olu ndị na Igbo izugbe na 4a na 4b nke mere na ha agakọrịtaghị n'usoro. Ọ bụrụ na ha gaa etu kwesịrị, ihe a ga-enwe bụ 'si ebe a' maọbụ 'si nga a.' E mere ka Igbo izugbe na Igbo izugbe gakọọ ma mee ka olu ndị na olu ndị gakọọ ka e wee nwee ngakọrịta dabara. Lee eserese gosiri nganusoro n'okpuru dị ka atụtụ ndokọ okwu si mazi:

Esereses 5




5. (a) saa arụ

(b) wụọ ahụ

Nkebi ahịrị 5a na b bụ ndụmọdụ ka debe onwe ya ọcha site n'ịsapụ ahụ ya. Na 5a dị n'elu, e nwere mkpụrụ okwu abụọ mebere usoro okwu ahụ. Nke mbụ, 'saa' bụ ngwaa ma bụrụ Igbo izugbe. Ihe mere ya Igbo izugbe bụ mkpụrụ ụda 's.' Nke abụọ - 'arụ' bụ mkpọaha ma bụrụ olu ndị. Mkpụrụ ụda mere ya olu ndị bụ 'r.' 5b nwere mkpụrụokwu abụọ, ya bụ, 'wụọ' nke bụ ngwaa ma bụrụ olu ndị. Mkpụrụ ụda mere ya olu ndị bụ 'w.' Nke abụọ bụ mkpọ aha ma bụrụ Igbo izugbe. E nwere ngwakọrịta olu ndị na Igbo izugbe na 5a na 5b. Ya kpatara na ha agakọrịtaghị etu kwesịrị ekwesị. Ọ bụrụ na a hazie ha nke ọma, ihe e kwesịrị inwe bụ, *'saa ahụ'* ma ọ bụ *'wụọ arụ.'* Lee eserese gosiri nganusoro ha n'okpuru dị ka atụtụ ndokọ okwu si dị:

Eserese 6





Eserese 7

6. (a) rigo nrī

(b) ligo nrī

Nkebiahịrị 6 bụ ajụjụ ma mmadụ eriela nri. E lee anya n'ọmụma atụ 6a n'elu, a ga-achọpụta na usoro okwu ahụ nwere mkpụrụokwu abụọ - 'rigo' nke bụ ngwaa ma bụrụ Igbo izugbe. Ihe mere ya Igbo izugbe bụ mkpụrụ ụda 'r.' 'Nri' bụ mkpọ aha sitere n'Igbo izugbe. Ihe mere ya Igbo izugbe bụ mkpụrụ ụda 'r.' Na 6b, e nwere 'ligo' nke bụ ngwaa na olu ndị. Mkpụrụ ụda mere ya olu ndị bụ 'L.' 'Nri' bụ mkpọ aha sitere n'Igbo izugbe. E nwere ngwakọta olu ndị na Igbo izugbe na 6b nke mere ka a ghara inwe ezigbo ngakọrịta. Ọmụma atụ 6a dabara maka na ngwaa Igbo izugbe na mkpọ aha Igbo izugbe gakọrọ ọnụ. Ọmụma atụ 6b enweghị nganusoro maka na a gwakọrịtara Igbo izugbe na olu ndị. Lee eserese zipụtara nganusoro nkebiahịrị 6a n'okpuru dị ka atụtụ ndokọ okwu si di:

Eserese 8





Eserese 9

7. (a) luoahịā

(b) ruo afịā

A na-ekwu maka mmadụ ijeru ahịa na ọmụma atụ 7a na 7b dị n'elu. 7a nwere mkpụrụokwu abụọ n'usoro okwu ya, ya bụ, 'luo' nke bụ ngwaa sitere n'olu ndị na 'ahịa' nke bụ mkpọaha sitere n'Igbo izugbe. Na 7b, okwu mbụ bụ ngwaa ma bụrụ okwu Igbo izugbe ebe okwu nke abụọ bụ mkpọ aha ma bụrụ okwu sitere n'olu ndị. 7a na 7b nwere ngagharị Igbo izugbe na olu ndị. Ọ bụ ya kpatara na e nweghị nke ọ bụla n'ime ha nwere nganusoro. Iji dezie ha nke ọma, ihe e kwesịrị inwe n'Igbo izugbe bụ, *'ruo ahịa.'* N'aka nke ọzọ, ihe e kwesịrị inwe n'olu ndị bụ, *'luo afịa.'* Lee eserese gosiri nganusoro dị ka atụtụ ndokọ okwu si mazi.

Eserese 10




Eserese 11

8 (a) lụ̀ta ọ̀bàrà

(b) rụ̀ta ọbala

Na 8a na 8b dị n’elu, a na-ekwu maka mmadụ itinye otu mkpịsị aka na ntị ma ọ bụ n’imi rụta ọbara. E lee anya na 8a, a ga-achọpụta na usoro okwu ya nwere mkpụrụ okwu abụọ, ya bụ, ‘lụta’ nke bụ ngwaa ma bụrụ olu ndị na ‘ọbara’ nke bụ mkpọ aha sitere n’Igbo izugbe. N’aka nke ọzọ, 8b nwere ‘rụta’ nke bụ Igbo izugbe na ‘ọbala’ nke bụ okwu sitere n’olu ndị. E nwere ngwakọrịta Igbo izugbe na olu ndị 8a na 8b nke mere na ha agaghị n’ezigbo usoro. N’ezigbo usoro ha, e kwesịrị inwe, *‘rụta ọbara’* maọbụ *‘lụta ọbala.’*Lee eserese zipụtara nganusoro dị ka mmazi atụtụ ndokọ okwu si dị:

Eserese 12





Eserese 13

9.(a) rụ ọlụ̄

(b) lụ ọrụ̄

9a na 9b na-ekwu maka mmadụ ịrụ ọrụ dị ka ọrụ ugbō, ọrụ aka, ọrụ ngō, ịsa efere, ịza ụlọ d.g. E lee anya na 9a, a ga-ahụ na e nwere mkpụrụokwu abụọ n’usoro okwu ahụ. Nke mbụ bụ ‘rụ’ nke bụ ngwaa sitere n’Igbo izugbe na ‘ọlụ,’ nke bụ mkpọaha ma bụrụ olu ndị. Na 9b, e nwekwara mkpụrụokwu abụọ mebere ya, ya bụ, ‘lụ’ nke bụ ngwaa sitere n’Igbo izugbe na ‘ọrụ’nke bụ mkpọaha sitere n’Igbo izugbe. Ngahie e nwere bụ ngakọrịta olu ndị na Igbo izugbe usoro okwu abụọ ndị ahụ. Iji dezie ha, e kwesịrị inwe, ‘rụ ọrụ’ maọbụ ‘lụ ọlụ.’ Lee eserese zipụtara nganusoro dị ka ọ dị n’atụtụ ndokọ okwu:

Eserese 14




Eserese 15


10.

(a) kpọ̀sàlà ahịa

(b) kpọ̀sàrà afịa

Na 10a na b, a na-ekwu maka ịkpọsa ngwa ahịa a na-ere ere. 10a nwere mkpụrụokwu abụọ n'usoro okwu ya. Okwu nke mbụ bụ 'kpọsala' bụ ngwaa ma bụrụ olu ndị. Ihe mere ya olu ndị bụ 'l.' Nke abụọ bụ mkpọaha ma bụrụ okwu Igbo izugbe. Ihe mere ya Igbo izugbe bụ 'h.' N'aka nke ọzọ, 10b nwere mkpụrụ okwu abụọ, ya bụ 'kpọsara' nke bụ ngwaa sitere n'Igbo izugbe (mkpụrụ ụda mere ya Igbo izugbe bụ 'r') na 'afịa' nke bụ olu ndị. Mkpụrụ ụda mere ya olu ndị bụ 'f.' Na 10a na b, e nwere ngwakọrịta Igbo izugbe na olu ndị, ya kpatara na ha agakọghị etu kwesịrị. Nganusoro ha ga-abụ, *'kpọ̀sàrà ahịa'* maọbụ *'kpọ̀sàlà afịa*. Lee eserese gosiri ndị dabara dị ka atụtụ ndokọ okwu si mazi:

Eserese 16




Eserese 17

11. (a) yàlà ahụ

(b) yàrà arụ

N'usoro okwu 11a na b, a na-ekwu maka mmadụ ịda n'ọrịa dị ka ịbà, ọchananya, isi ọwụwa, ahụ ọkụ, d.g. E nwere mkpụrụokwu abụọ mebere usoro okwu 11a, ha bụ 'yala' na 'ahụ.' Yala bụ ngwaa ma bụrụ olu ndị. Ihe mere ya olu ndị bụ mkpụrụ ụda 'L.' Ahụ bụ mkpọaha ma bụrụ Igbo izugbe. Ihe mere ya Igbo izugbe bụ mkpụrụ ụda 'h.' Na 11b n'otu aka ahụ, e nwere mkpụrụokwu abụọ, ya bụ 'yara' na 'arụ.' Yara bụ ngwaa ma bụrụ Igbo izugbe. Ihe mere ya Igbo izugbe bụ mkpụrụ ụda 'r.' Àrụ bụ mkpọaha ma bụrụ olu ndị. Ihe mere ya olu ndị bụ mkpụrụ ụda 'r.' E nwere ngwakọrịta olu ndị na Igbo izugbe na 11a na *b* dị n'elu; ọ bụ ya kpatara na ha agakọrịtaghị. N'idezi ha, ihe a ga-enwe bụ *'yara ahụ'* ma ọ bụ *'yala arụ.'* Lee eserese gosiri nganusoro ha dị ka atụtụ ndokọ okwu si mazi:

Eserese 18




Eserese 19


12. (a) tara arụ

(b) tala ahụ

Ihe a na-ekwu maka ya n'usoro okwu 12a na b n'elu bụ onye nwere ahụ ịnọkata wụchaa dịzie gịrịgịrị.12a nwere mkpụrụokwu abụọ mebere ya. Nke bụ 'tara' nke bụ ngwaa ma bụrụ Igbo izugbe. Mkpụrụ ụda mere ya Igbo izugbe bụ 'r.' Mkpụrụokwu nke abụọ bụ 'arụ.' Arụ bụ mkpọ aha ma bụrụ olu ndị. Ihe mere ya olu ndị bụ Mkpụrụ ụda 'r.' Usoro okwu 12b nwere mkpụrụ okwu abụọ n'otu aka ahụ. Nke mbụ bụ 'tala.' Tala bụ ngwaa ma bụrụ olu ndị. Ihe mere ya olu ndị bụ mkpụrụ ụda 'L.' Mkpụrụ okwu nke abụọ bụ 'ahụ.' Ahụ bụ mkpọ aha ma bụrụ okwu Igbo izugbe. Mkpụrụụda mere ya Igbo izugbe bụ 'h.' E nwere ngwakọrịta Igbo izugbe na olu ndị na 12a na b dị n'elu. Ọ bụ ya mere na o nweghị nke ọ bụla n'ime ha nwere nganusoro. Na ndezi ha, a ga-enwe

'tara ahụ' ma ọ bụ 'tala arụ.' Lee eserese gosiri nganusoro ha dị ka atụtụ ndokọ okwu si hazi ya:

Eserese 23




13. (a) gburu efi

(b) gbulu ehi

Ihe a na-ekwu maka ya n'elu bụ mmadụ igbu ehi, dị ka na, 'Ogbonna gburu ehi.' E lee anya na 13a na 13b, a ga-ahụ na mkpụrụ okwu mebere usoro okwu nke ọbụla dị abụọ. Na 13a, e nwere 'gburu.' Gburu bụ okwu Igbo izugbe ma bụrụ ngwaa. Ihe mere ya Igbo izugbe bụ mkpụrụ ụda 'r.' Efi bụ mkpọ aha ma bụrụ olu ndị. Ihe mere ya olu ndị bụ 'f.' Na 13b, e nwere mkpụrụokwu abụọ. Nke mbụ bụ 'gbulu.' Gbulu bụ ngwaa nke sitere n'olu ndị. Ihe mere ya olu ndị bụ mkpụrụ ụda 'l'. Ehi bụ mkpọ aha ma bụrụ okwu Igbo izugbe. Ihe mere ya Igbo izugbe bụ mkpụrụ ụda 'h'. E nweghị ngakọrịta na ha abụọ n'ihi ngwakọta Igbo izugbe na olu ndị. Iji dezie ya, ihe e kwesịrị inwe bụ *gburu ehi* ma ọ bụ *gbulu efi*.

**Mmechi**

Ederede a nyochara nganusoro dị ka o si metụta asụsụ Igbo. A kọwara ihe nganusoro pụtara site n'ịnapụta ndị ọka mmụta dị iche okwu n'ọnụ site n'ihe ha bipụtara n'akwụkwọ. E mechara tụlegharịa agụmagụ ma wepụta ihe ndị nchọcha dị iche iche kwuru banyere nganusoro. A chọpụtara na ntụcha ndị nchọcha a tụlegharịrị gbadokarịrị ụkwụ na nganusoro dị ka o si metụta nkeji asụsụ. Ya kpatara ederede nke a ji setịpụ aka nyochaa nganusoro dị ka o si metụta ndokọ ngwaa na mmeju ha.

E tinyere atụtụ ndokọ okwu n'ọrụ nyochaa agwa nganusoro dị ka o si metụta nhọrọ ngwaa na mmeju n'adịghị agbagha. Agwa nganusoro ebe a bụ na ngwaa okwu Igbo izugbe na-ahọrọ mmeju sitere n'okwu Igbo izugbe. Ya bụ na ngwaa okwu Igbo izugbe

na mmeju mkpụrụ okwu sitere n'olu ndị anaghị agakọ. Iji ma atụ, a gaghị enwe 'ṅụọ mmili' ma ọ bụ 'laa mmiri.' N'ezigbo ngakọrịta, a ga-enwe 'ṅụọ mmiri' ma ọ bụ 'laa mmili.'

**Edensibịa**


1. Atkins, J. (1998). *Lexical semantics.*Montreal: Black Rose Books. London: Cambridge University press.
2. Austin, J.L. (1962). *How to things with words.*Oxford: Oxford University Press.
3. Baker, M. C. (2008). *The Syntax of agreement and concord*.London: Cambridge University Press.
4. Besten, H. (1986). Double negation and the genesis of Afrikaans, in Pieter Muysken and Norval, Smith (eds.), Substrata versus universals in Creole languages, John Benjamins, Amsterdam, *5* (3), 185-200.
5. Biber D., Stig J., Geoffery L., Susan C.,&Fineger E. (1999).*Longman grammar of spoken & written English*. London: Longman.
6. Bergman, B., and Wallin, L. (1985). 'Sentence structure in Swedish sign language', in W. C. Stokoe and V. Volterra (eds.), proceedings of the third international symposium sign language research. Rome, June 22–26 1983. Rome/Silver Spring, Md.: CNR/Linstok Press, 217–25.
7. Bock K. & Miller C. (1991). Broken Agreement: Cognitive Spychology. Journal of memory and language, *3* (40), 330–346.
8. Udemmadụ, T. (2012). "Ungrammaticality in Igbo." Unizik Journal of Arts and Humanities,
9. Ilechukwu, I. (2017). *Kpọkọpị ụtọasụsụ Igbo*.Awka: Divine Press.
10. Watanebe, Akira (2004). the genesis of negative concord: Syntax and morphology of negative doubling . Linguistics inquiry 35:559-612.
11. Welmers, E. (1970). *African Language Studies*. Berkeley: University of California Press.
12. Yule, G. (1996). *The study of language*, ( 2nd edition). Cambridge: Cambridge University Press.
13. Giannakidou, A. (1997). The landscape of polarity items, Ph.D. Dissertation, University of Groningen.
14. Viberg, A. (1999). *Polysemy and differentiation in the lexicon*.In J. S. Allwood & Greenford P. (Eds), Cognitive Semantics. Amsterdam: John Benjamins Publishers.
15.